Mmetụta Agwa Ịṅụ Ọgwụike N'agụmakwụkwọ Ụmụakwụkwọ Nọ N'ogo Sinịọ Sekọndịrị N'okpuru Ọchịchị Ime Obodo Ọhaọzara Nke Steeti Ebonyị

By

[1]John, Kelechi Nkalụ
Department of Arts Education
Faculty of Education,
University of Nigeria, Nsukka.
E-mail: kelechinkalu@gmail.com
Phone: 08027680106

[2]Uchenna Fabian Ude Ph.D
Department of Arts Education
Faculty of Education,
University of Nigeria, Nsukka.
E-mail: uchenna.ude@unn.edu.ng.
Phone: 08064231662
&
Onwunzo, Francisca Chibuogwu
Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages
Faculty of Arts,
University of Nigeria, Nsukka.
E-mail: frankaonwunzo@gmail.com.
Phone: 08033050626

Ụmị Edemede

Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta mmetụta agwa ịṅụ ọgwụike n'agụmakwụkwọ ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara nke steeti Ebọnyị. Ndị nchọcha jiri ụlọakwụkwọ sinịọ sekọndịrị atọ bụ nke ha họọrọ site n'ụlọakwụkwọ sinịọ sekọndịrị iri abụọ na abụọ dị n'Ọhaọzara wee mee nchọcha. Ọnụọgụgụ ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị ndị ahụ bụ otu puku na iri abụọ. E jiri usoro tụmbọm tụmbọm họpụta ụmụakwụkwọ iri anọ na ise, ebe ndị nkụzi iri na ise ka a họtakwara maka nchọcha a. Usoro nchọcha a bụ sọvee nkọwa, ebe e jiri tụmbọm tụmbọm sere ndị e ji mee nchọcha. Ngwa nchọcha e jiri mee nchọcha bụ Mmetụta Agwa ịṅụ Ọgwụike n'Agụmakwụkwọ

Ụmụakwụkwọ njụmaza (MAỊỌAỤ). Data e nwetara gbadoro ụkwụ na ndịna iri abụọ nke e sitere n'ajụjụ nchọcha ise mepụta. E ji miin na ndịpụ n'izugbe wee tụchaa data. Nchọpụta nchọcha a gosịrị na agwa ịṅụ ọgwụike na-emetụta ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị n'agụmakwụkwọ ha nke na-ewetakarị ọrịa na isi mgbaka nke na-adọghachi agụmakwụkwọ ha azụ. Ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị na-ewetakarị ọgbaghara n'ụlọakwụkwọ. Ha anaghịkwa eme nke ọma n'ule ha. Ha na-adakarị iwu gọvụmentị nakwa iwu na-achịkwa ụlọakwụkwọ ha. Ndị nchọcha tụrụ aro ka ndị nne na nna na-atọrọ ụmụ ha ezi ntọala malite n'ezinaụlọ ha. Gọvụmentị kwesịrị inwe ezi mgbasa ozi megide agwa ịṅụ ọgwụike n'ụlọakwụkwọ dị n'Ọhaọzara. Gọvụmentị kwesịkwara ịta nwaakwụkwọ ọbụla e jidere n'agwa ịṅụ ọgwụike ahụhụ dịka iwu si dị. N'aka nke ọzọ, o kwesịrị ka e nye ụmụakwụkwọ mere nke ọma n'ule sinịọ sekọndịrị onyinye ihe nrite iji gbaa ha ume. Ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị bụ ndị anaghị aṅụ ọgwụịke kwesịkwara ka a na-enye ha onyinye ihe nrite iji gbaa ha ume.

Ọkpụrụkpụ okwu: Agwa, ịṅụ ọgwụ ike, Agụmakwụkwọ.

Mkpọlite

Ọgwụike bụ ihe ọbụla abụghị nri nke mmadụ nwere ike itinye n'ahụ ya n'ụdị ọṅụṅụ, osise, ịkpọ akpọ, ịgbanye ya n'ahụ maọbụ site n'ụzọ ọbụla ọzọ iji gbanwee usoro ahụ ya si arụ ọrụ ka ọ banye n'ụdị ọzọ iji nweta ụdị agwa ọ chọrọ n'oge ahụ. Ọgwụike, dịka aha ya siri dị bụ ụdị ọgwụ ndị ahụ ọrụ ha siri ike n'ahụ mmadụ, nke na-agbanwekwa ọnọdụ ahụ mmadụ karịa ka ụdịdị ekereụwa ahụ mmadụ si dị. Odedokun (2010) kọwara ọgwụike dịka ihe ọbụla nke bụ mgbe e mere ka ọ banye n'ahụ mmadụ, na-agbanwe usoro ahụ mmadụ si arụ ọrụ ma metụta izu oke nke usoro nrụpụta ọrụ nke ahụ mmadụ. Ọ gakwara n'ihu ma nye ọmụmatụ ụfọdụ ọgwụike dịka: ọjị, kọfị, soda, kafịn na ihe ndị ọzọ yiri ha n'ọrụ ha. Ọ kọwakwara na ọgwụike ndị ahụ abụghị nke na-enye onye dara mba ume kama ha na-emetụta ka ụbụrụ mmadụ si eme ka ahụ ụfụ dajụọ maọbụ kpalie obi aṅụrị maọbụ iwe.

Nke a pụtara na ihe ọbụla abụghị ihe ọnatarachi e ji azụ ahụ mmadụ bụ ọgwụike n'ahụ e tinyere ya. Ya bụ na ọgwụike bụ ihe ndị ahụ mmadụ nwere ike iri mana ha enweghị ezigbo uru ha na-abara ahụ mmadụ. Nke a mere Fodor (1974) ji kọwaa ọgwụike dịka ihe ọbụla abụghị nri nkịtị nke mmadụ nwere ike itinye n'ahụ ya ka ọ gbanwee ụdịdị ahụ ya si arụ ọrụ nwa oge, e mechaa mgbe ike ọgwụ ahụ pụrụ,

usoro ahụ ya alaghachi azụ. Tupu usoro ahụ mmadụ ṅụrụ ọgwụike alaghachi azụ, o nwere ọtụtụ ihe ọgwụike ahụ na-emebi n'ahụ mmadụ. Mgbanwe usoro ọrụ ahụ mmadụ ọgwụike na-ebute enweghị ezi uru ọ baara mmadụ. Nke mere ka Finley na Landless (2014) ji hụta na ọgwụike anaghị egbochi agụrụ maọbụ wepụ ume ịda mba kama ụfọdụ ọgwụike na-akpali ụbụrụ ime ihe mgbe o kwesighị maọbụ dajụọ usoro ọrụ ụbụrụ na akụkụ ahụ mmadụ ndị ọzọ. Ihe ndị a ga-ahụta dịka ọgwụike gụnyere: mmanya ọkụ, aspịrịn, tramadọl, kafịn, kọfị, wii wii, sịga, ọjị, ìgbó, parasitamọl, hirọịn, klorokwin, kanabis, madraks, anwụrụ ọkpụkpọ, anwụrụ osise, valium, mkpaakwụkwọ koko, burukutu, kaịkaị, mmanya dị iche iche, ganja, soda na mkpụrụ mmiri. Ha abụghị nri nkịtị na-egbochi agụrụ. Ha abụghịkwa ikuku ndụ, mmiri maọbụ nje nwere ike imetụta ahụike mmadụ kama ọrụ ha na-abụkarị ịkpali maọbụ dajụọ usoro ụbụrụ si arụ ọrụ.

Ọgwụike nwere ike bụrụ ọgwụ nkịtị e nwere ike iji gwọọ ọrịa mana e ribigara ya oke, ọ pụta ọgwụike. Finley na Landless (2014) kwadoro nke a site n'inye ọmụmaatụ na parasitamọl na aspịrịn bụgasị ọgwụ e nwere ike iji gwọọ isi ọwụwa maọbụ belata ụfụ mana e jiri ha mee ihe n'ụzọ e kwesighị, ha aghọzie ọgwụike nke nwere ike imebi ihe n'ahụ mmadụ. O nwere ike bụrụ ọgwụ nkịtị nke iwu kwadoro, mana e ribiga ya oke, ọ ghọzie ọgwụike n'ihi na ọ bụzi nsị n'ahụ mmadụ. Ọkwara (2011) kwadokwara nkọwa ahụ site n'ịsị na ọgwụ ụfọdụ a ma taa dịka ọgwụike, nwere ebumnobi e ji mepụta ụfọdụ, nke bụ iweretụ ya obere tinye iji mepụta ọgwụ e ji agwọ ọrịa. Nke a pụtara na e were ya karịa ka o kwesịrị, ọ bụrụzie ọgwụike. Ọmụmaatụ bụ na ndị dibịa oyibo na-awa ahụ nwere ike iji tramadọl belata ụfụ mgbe ha na-awa mmadụ ahụ ka agwọọ ya ọrịa. Ma o nwere ka e si ṅụfee ya oke, ọ bụrụzie ọgwụike nke iwu gọvụmentị dị iche iche machibidoro Ọgwụike nwere ike ịdị n'ụdị ikuku dịka koken, n'ụdị mgbọrọgwụ osisi dịka mgbọrọgwụ ụgụ, n'ụdị mkpaakwụkwọ dịka mkpaakwụkwọ koko ndị Ameịka, n'ụdị mkpụrụ ọgwụ dịka tramadọl, n'ụdị ihe ọṅụṅụ dịka burukutu nakwa n'ụdị ndị a na-ete ete n'ahụ.

E nwere ihe ndị e jiri mara ọgwụike n'izugbe maọbụ n'ọrụ ha n'otu n'otu n'ahụ mmadụ. Ụfọdụ n'ime ha bụ anya ajụ, ọsọgalịgalị maọbụ anya ịcha uhie. Akụbue (2009) kọwara ọgwụike site na njirimara ndị ahụ dịka ihe ọbụla nke ahụ mmadụ achọghị n'ihi na ọ na-eweta ọsọgalịgalị. Ọ bụ ụdị ihe ndị ahụ na-emegharị anya, ghasaa ụbụrụ ma ghasaa usoro akparamagwa mmadụ mgbe ha bara n'ahụ

mmadụ. Ọmụmaatụ ọgwụike ụfọdụ na ihe e jiri mara ha: ụtaba (na-agba isi ghara ghara me mee ka ezipụ imi ozugbo), mman ya ọkụ (na-ebute ọsọgaligali), sịga na ganja (na-achagharị anya ka ọ dị uhie ma wepụ egwu). Ọrụ ndị ahụ n'otu n'otu na-emetụta ahụike ndị mmadụ. Nke a mere na Dike (2015) kọwara na mmanya na-aba n'anya dịka kaị kaị kwesịrị ka nwaanyị dị ime zeere ya n'ihi na ọ na-emegharị usoro ahụ ha ma mebie ihe n'ọnọdụ ahụike nwa nọ n'afọ. Ọ gbakwụnyere na ọ bụladị ụmụ na-eto eto (dịka ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị) kwesịrị ịgbara ya ọsọ n'ihi na ụbụrụ ha ekwesighị ka e megharịa ya site n'ụsoro o ji arụ ọrụ.

Ọgwụike bụ ọrịa nke onye na-arịa ya (onye na-aṅụ ya) anaghị amta. Neufeld (1962) kọwara na ihe ọbụla nwere ike ịgbanwe usoro ahụ mmadụ si arụ ọrụ bụ ọrịa. Nke a bụ n'ihi na ọ sịrị na onye na-aṅụ ọgwụike na-enwekarị mmetụta n'ụbụrụ isi, akwara, ọbara, imeju nakwa n'echiche ụbụrụ ya. Neufeld (1962) chịkọtara nkọwa ya banyere ihe ọgwụike bụ ma sị na ọ bụ ọrịa.

Agwa ịṅụ ọgwụike malitere mgbe ochie ma nọtee aka ọtụtụ afọ ma rue n'oge ugbu a. Grossarchaives (2017) kọwara na ọ bụ mgbe ndị mmadụ ka na-awagharị n'ọhịa na mgbe gboo ka ọ malitere iri ọgwụike n'ụdị mkpaakwụkwọ, mgbọrọgwụ, mgbụgbọ maọbụ mkpụrụ osisi dị iche iche na-amaghị ama maọbụ iji gwọọ ọrịa. Agwa ịṅụ ọgwụike pụtara ihe n'Ọhaọzara mgbe ndị ọcha mbịarachịwa batara Ọhaọzara. Akpa (2001) kọwara na ịkụ na ire ọgwụike ụfọdụ bịara were ọnọdụ malite n'oge ahụ. Ọ kọwara na ndị ọcha ahụ nari eji ọgwụike ndị ahụ eme ihe n'ụzọ dị ọgọ ma si otu a nweta ebumnobi ha n'ịgwọ ọrịa dị iche iche.

Taa, ọtụtụ ụmụakwụkwọnọ n'ogo sekọndịrị n'Ọhaọzara jizi ịṅụ ọgwụikeike mere ihe ha ji egosipụta ntopụta, ebe ọ bụ na ha na-ahụta onye na-aṅụ ọgwụike dịka onye kara obị ma saakwa anya. Ma otu ọ dị, agwa ịṅụ ọgwụike n'etiti ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị bụ nke ndị mmadụ na-ahụta dịka agwa ọjọọ n'ihi na o nwere ike ibute ọtụtụ ọdachi na ndụ ụmụakwụkwọ ahụ, ọkachasị n'agụmakwụkwọ ha. Nke a mere na Finley na Landless (2014) kọwara na otu ọdachi ịṅụ ọgwụike na-eweta na ndụ onye na-aṅụ ya bụ ịda mkpụmkpụ. Ya bụ na nwataakwụkwọ sinịọ sekọndịrị tinyere aka n'agwa ịṅụ ọgwụike nwere ike ịnwụ n'oge erughị eru, ebe agụmakwụkwọ ya ga-akwụsịkwa. Ọtụtụ ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị na-eche na ha ji ọgwụike egbo mkpa

ụfọdụ dịka iwepụ ihere nakwa ime ka ha mee nke ọma n'asọmpi egwuregwu. Ma n'echiche Akụbue (2009), ụfọdụ mmadụ na-aṅụ ọgwụike iji wepụ ihere amaghị na ọ dịchaghị mkpa n'ahụ. O kwukwara na ọ bụladị mmanya ọkụ adighị mma n'ụbụrụ nwata. Nke a bụ ka ọ ghara imebi ụbụrụ o ji amụ akwụkwọ. Ọ bụrụ na mmadụ ọbụla ga-aṅụ mmanya ọkụ, ya mee etu ahụ n'ókè ya. Ọtụtụ ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị na-ehikarị ụra na klaasị mgbe onye nkụzi na-akụzi ihe n'ihi ọgwụike ha ṅụrụ. Ọ dị otu a, ọ dighị ezigbo ihe ha ga-amụta maka na ha na uche ha esoghị. Ụdị ndị ahụ anaghị eme nke ọma n'ule.

Ụfọdụ ọgwụike nke ụfọdụ ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị na-aṅụ na-akpali ha ịkpasu ọgbaghara. Ọkwara (2011) kọwara na ọgbaghara ahụ nwere ike ịbụ n'etiti ụmụakwụkwọ na ibe ha maọbụ n'etiti ha na ndị nkụzi ha. E nwee ọnọdụ ọgbaghara, n'ụlọakwụkwọ, nkụzi na ọmụmụ anaghị ewere ọnọdụ dịka o kwesịrị. Nke a na-ebute na ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị anaghị amụzucha ihe ha kwesịrị ịmụ n'usoro nkụzi dị maka oge ihe ọmụmụ ha rue mgbe oge agụmakwụkwọ ha ga-agwụ. O rue n'oge ule ngwụcha afọ, ha agaghị ama ihe ha ga-ede. Nke a nwere ike iduba ha n'ọnwụnwa ime aghụghọ n'ule nke bụ ejide ha, e nwere ike mee ka ha daa n'ule ahụ.

Neufeld na Neuffer (1962) kọwara na ìzù, nghọta na onyinye osinachi nke dị n'ime nwaakwụkwọ lara ndụ ya n'iyi otu a, na-esokwa ya laa. Okè o kwesịrị ịtụnye na mwulite agụmakwụkwọ n'ụlọakwụkwọ ya abụrụzie nke lara n'iyi. N'ụzọ dị otu a, mbunuuche gọvụmentị banyere mwulite agụmakwụkwọ n'ogo Sinịọ sekọndịrị n'Ọhaọzara na-abụ nke ajọ ọnọdụ a na-eme ka ọ ghara ịpụta ìhè.

Ihe kpalitere mmụọ ndị nchọcha ịbagide ọrụ nchọcha a bụ na ọtụtụ mgbe, a na-enwegasị nsogbu n'ụlọakwụkwọ sinịọ sekọndịrị dịgasị n'Ọhaọzara n'ihi mkpali ọgwụike. Nsogbu ndị a na-ewetakarị esemokwu na arụmarụ ụka n'etiti ụmụakwụkwọ na ibe ha nakwa n'etiti ha na ndị nkụzi ha. Ọ na-adịkwa n'ụdị ịlụ ọgụ n'ụlọakwụkwọ, imebi ụlọ na ngwongwo ndị ọzọ n'ụlọakwụkwọ, ime aghụghọ n'ule, izu ohi, ịwakpo ụmụakwụkwọ ndị nke nwaanyị n'ike, akwụghị ụgwọ akwụkwọ, ịgbanahụ ịmụ ihe na klaasị nakwa emeghị nke ọma n'ule. Ihe ndị a niile na-ebute ndaghachi azụ agụmakwụkwọ n'ogo sinịọ sekọndịrị.

Ka ọ dị ugbu a, ọ dịbeghị onye nchọcha ọzọ merela nchọcha n'isiokwu a iji chọpụta ụzọ ígbò nsogbu ndị ahụ ka agụmaakwụkwọ n'ogo sinịọ sekọndịrị kwụdọsie ike n'Ọhaọzara. Nke a mere ndị nchọcha ji ajụ sị "kedụ mmetụta agwa ịnụ ọgwụike ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara nwere n'agụmakwụkwọ ha?

Mbunuche Nchọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ileba anya na mmetụta agwa ịnụ ọgwụike n'agụmakwụkwọ ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara. N'ihi ya, nchọcha a ga-eleba anya kpọmkwem n'ihe ndị a:

1. ịchọpụta ihe bụ ọgwụike.
2. ịchọpụta ọnọdụ ndị ahụ na-egosi na e nwere agwa ịnụ ọgwụike n'etiti ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị n'Ọhaọzara.
3. ịchọpụta ihe ndị ahụ na-ebutere ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị n'Ọhaọzara itinye aka n'agwa ịnụ ọgwụike.
4. ịchọpụta ọghọm dị n'agwa ịnụ ọgwụike n'agụmakwụkwọ ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị n'Ọhaọzara.
5. ịchọpụta ọsịsa nye ihe ndị ahụ na-ebutere ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara ịdị na-akpa agwa ịnụ ọgwụike.

Ajụjụ Nchọcha

1. Gịnị bụ ọgwụike?
2. Kedụ ọnọdụ na-egosị na e nwere mmetụta agwa ịnụ ọgwụike n'agụmakwụkwọ ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara?
3. Kedụ ihe ndị na-ebute agwa ịnụ ọgwụike n'etiti ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị n'Ọhaọzara?
4. Olee ọghọm dịgasị n'agwa ịnụ ọgwụike n'agụmakwụkwọ ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara?
5. Kedụ ihe e nwere ike ime iji belata maọbụ kwụsị ihe ndị ahụ na-ebutere ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara itinye aka n'agwa ịnụ ọgwụike?

Atụtụ Njirimee

Atụtụ Nṅomiri

Ndị wepụtara ma kwenye na ụzọ nṅomiri bụ ụzọ mmadụ si amụta akparamagwa bụ Pavlov, Thondike na Chomsky (1957). Ha bụ ndị ọkachamara n'amụmamụ echiche mmadụ. Atụtụ a lebara agwa ịṅụ ọgwụike anya dịka ihe na-abịa site na nṅomiri. Ndị amụmamụ echiche kwenyere na agwa ọbụla mmadụ ga-akpa ga-agbadoriri ụkwụ n'ihe ọ hụrụ na gburugburu ya bụ nke ọ ga-eṅomiri. Ihe mmadụ ga-eṅomi nwere ike bụrụ ezi ihe maọbụ ihe ọjọọ. Anọzie (1999) kwadoro nke a site n'ịsị na ụmụaka na-amụta ihe ngwa ngwa mgbe e nwere ihe ha na-elere anya.

Atụtụ a dabara n'isiokwu ndị nchọcha na-eleba anya maka na ọ bụrụ na ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị enwebeghị ebe ha hụrụ onye ọbụla ọzọ na-aṅụ ọgwụike maọbụ na ha anụbeghị ozi ndị ahịa na-ajali ụfọdụ ọgwụ ndị a, ha agaghị enwe ihe nṅomiri nke ga-eduba ha n'ịṅụ ọgwụike. Site na nke a, ndị nchọcha chọpụtara na a hapụ ime ọgwụike ka ọ bata n'echiche ụmụakwụkwọ, ha agaghị aṅụ ya. Ha agaghị enwekwa ihe ndọghachi azụ n'agụmakwụkwọ ha.

Nchọcha E merela n'isiokwu

Ọtụtụ ndị mmadụ emeela nchọcha gbasara nsogbu a na-enwe n'agwa ịṅụ ọgwụike n'etiti ụmụ na-eto eto nakwa ọdachi o nwere ike ibutere ha n'ọdịnihu.

E nwere nchọcha Ọgba (2015) mere maka nsogbu a na-enwe n'ihe gbasara agwa ịṅụ ọgwụike n'etiti ụmụ na-eto eto n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara. Ụdị nchọcha o jiri mee nchọcha ya bụ sọvee nkọwa. O jikwara usoro tụmbọm tụmbọm sere ụlọakwụkwọ isii n'ime ụlọakwụkwọ sekọndịrị iri abụọ na abụọ e nwere n'ebe ahụ. O jikwa usoro a sere ụmụakwụkwọ dị iri isii bụ ndị zaara ya ajụjụ njụmaza. O jiri usoro miin wee hazie ọsịsa o nwetara maka ajụjụ ederede ndị ahụ. Miin ọsịsa o nwetara bụ 2.50 gbagowe bụ ndị a nabatara mana 2.49 gbadawa ala bụ ndị anabataghị na nchọcha ya. Na nchọcha ya, ọ chọpụtara na e nweghị ezi ntọala n'ezinaụlọ so edubanye ụmụ na-eto eto n'agwa ịṅụ ọgwụike. Ọzọ bụ na ndị gọvụmenti anaghị enwe ezi mgbasa ozi megide agwa ịṅụ ọgwụike n'Ọhaọzara. Ọ chọpụtakwara na ụmụ na-eto eto dabanyere na nsogbu ịṅụ ọgwụike na-enwekarị nsogbu n'ọdịnihu. Nchọcha ya na nke ndị nchọcha nwere ebe ha yitere n'ihi na ha na-ekwu ihe banyere ịṅụ ọgwụike. Ebe ọzọ ga-eyite bụ na ndị nchọcha a ga-ejikwa usoro tụmbọm tụmbọm sere ụmụakwụkwọ na ụlọakwụkwọ ndị ọ ga-eji mee nchọcha nke ya. Ndị nchọcha nke a ga-ejikwa miin na ndịpụ n'izugbe nweta ọsịsa

ajụjụ nchọcha nke ọ ga-ahazi n'ụdị kwesịrị. Ma otu ọ dị, nchọcha Ọgba (2015) mere abụghị otu na nchọcha nke ugbu a, kama ọ ga-enyere ndị nchọcha aka ịchọpụta ihe ndị na-ebute nsogbu nke agwa ịṅụ ọgwụike na mmetụta ya n'agụmakwụkwọ n'ogo sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara nke steeti Ebonyị.

E nwekwara nchọcha ọzọ nwere myiri na ndịiche ya na nchọcha nke a. Obiaks (1995) mere nchọcha gbasara iji ọgwụike eme ihe n'etiti ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'Esan Central nke steeti Edo. Ụdị nchọcha o jiri mee ya bụ sọvee nkọwa. O jikwa usoro tụmbọm tụmbọm sere ụlọakwụkwọ ndị o jiri mee nchọcha ya. O jiri miin nweta miin tụchaa ihe e nwetara na nchọcha ya. Ajụjụ nwetara 2.50 gbagowe bụ nke a anabatara mana ajụjụ ọbụla nwetara akara dị ala karịa nke ahụ bụ nke anabataghị. Ọ chọpụtara na ụmụakwụkwọ na-eji ọgwụike eme ka o nyere ha ime nke ọma n'oge asọmpi egwuregwu; mana ha amaghị na ọ na-emebi ahụike ha ma tinye ha n'ọnọdụ jọrọ njọ n'ọdịnihu. Nchọcha Obiaks yitere nke ndị nchọcha ugbu a maka na ha abụọ na-eleba anya n'agwa ịṅụ ọgwụike n'etiti ụmụkwụkwọ. Ma otu ọ dị, nchọcha Obiaks abụghị otu na ndị nchọcha mana ọ ga-enyere ndị nchọcha aka ịchọpụta ihe ụfọdụ dịka ọdachi ọgwụike na-ebutere ụmụakwụkwọ, ọkachasị ndị ahụ na-emetụta agụmakwụkwọ ha n'ogo sinịọ sekọndịrị n'Ọhaọzara.

Nchọcha ọzọ e merela bụ nke Eide na Acuda (1995) mere n'isiokwu bụ 'Iji ọgwụike eme ihe bụ n'etiti ụmụakwụkwọ sekọndịrị na Zimbabwe. Ha chọpụtara na ụmụakwụkwọ ndị nne na nna ha nwere nnukwu ego na-aṅụkarị ọgwụike n'ụlọakwụkwọ n'hi na ha chere na ọ bụ ụzọ e si amata ndị bara ọgaranya. Nchọcha ha nwere uru ọ ga-abara ndị nchọcha maka na ọ na-egosi na ụfọdụ ndị nne na nna na-eso akwanye ụmụ ha n'agwa ọjọọ ahụ mgbe ha na-eche na ha na-enye ụmụ ha ihe ọbụla ha chọrọ.

N'ime nchọcha niile ndị ahụ e merela banyere agwa ịṅụ ọgwụike n'etiti ụmụ na-eto eto, o nweghị nke lebara anya kpọmkwem na mmetụta agwa ịṅụ ọgwụike n'agụmakwụkwọ ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị n'okpụrụ ọchịchị Ọhaọzara nke steeti Ebọnyị nke mere ndị nchọcha ji mee nchọcha a.

Usoro Nchọcha

Ụdị nchọcha ndị nchọcha jiri mee nchọcha ya bụ sọvee nkọwa. Sọvee nkọwa, dịka Nworgụ (2015) siri kọwaa bụ usoro e ji achọpụta ihe ndị mmadụ bu n'uche, dịka

ọchịchọ obi ha maọbụ ihe masịrị ha. Ndị nchọcha jiri usoro a mee nchọcha a n'ihi na ha chere na usoro a ga-enye aka ịchọpụta ebumnobi ndị mmadụ n'ihe gbasara mmetụta agwa ịnụ ọgwụike n'agụmakwụkwọ ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị n'okpuruọchịchị ime obodo Ọhaọzara nke steeti Ebọnyị.

Ebe ndị nchọcha nọrọ mee nchọcha ya bụ n'ụlọakwụkwọ sinịọ sekọndịrị niile e nwere n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara. Ọhaọzara nwere obodo ndị a kwụụrụ onwe ha: Ugwulangwu, Ọkpọsị na Uburu. Ọhaọzara nwere agbataobi ndị a: n'ọwụwa anyanwụ bụ Ezza, nke dị n'okpuru ọchịchị Ezza sawụtụ. N'ọdịda anyanwụ, o nwere agbataobi ya na Mpu nke dị n'okpuru ọchịchị Aniịnri nke steeti Enugu. Agbataobi ya na mgbago ugwu bụ Ọnịcha Igbo-Eze nke dị n'okpuru ọchịchị Ọnịcha nke steeti Ebọnyị. Na ndịda ya, Ọhaọzara nwere agbataobi ya na Amasịrị nke dị n'okpuru ọchịchị Afikpo Nọọtụ nke steeti Ebọnyị. Ndị Ọhaọzara na-akọpụta ji, akpụ, ede na ụmụ nri ndị ọzọ. Ndị e jiri mee nchọcha bụ ndị nkụzi niile na ụmụakwụkwọ niile nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị n'ụlọakwụkwọ sinịọ sekọndịrị niile dị n'Ọhaọzara. Ndị nkụzi n'ogo sinịọ sekọndịrị n'Ọhaọzara dị otu narị na iri ise. E nwere ụlọakwụkwọ sekọndịrị dị iri abụọ na abụọ, ebe ọnụọgụgụ ụmụakwụkwọ nọ na sinịọ sekọndịrị n'Ọhaọzara dị otu puku na iri abụọ. Ndị nchọcha nwetara ọnụọgụgụ niile a n'ụlọ ọrụ onyeisi agụmakwụkwọ sekọndịrị na mpaghara Afikpo.

Ndị nchọcha jiri ndị nkụzi iri na ise na ụmụakwụkwọ iri anọ na ise nke mgbakọta ọnụ ha bụ iri isii mee nchọcha a. Ha họrọkwara ụlọakwụkwọ atọ n'ime ụlọakwụkwọ iri abụọ na abụọ e nwere n'Ọhaọzara were mee nchọcha a. Ọ bụ usoro tụmbọm tụmbọm ka ndị nchọcha jiri mee nchọcha ya. N'ụdị usoro a, onye ọbụla nwere ohere isonye na ndị a ga-ahọpụta iji mee nchọcha.

Ngwa nchọcha ndị nchọcha jiri mee nchọcha bụ ajụjụ ederede njụmaza. Njụmaza bụ maka ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ. Isiokwu ya bụ mmetụta agwa ịnụ ọgwụike n'agụmakwụkwọ ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara. Ajụjụ ederede njụmaza a dị iri abụọ n'ọnụọgụgụ. O nwere nkeji abụọ. Nke a bụ maka inweta ihe banyere ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ. Ndị nchọcha haziri ajụjụ ederede ndị a na mkpokọta na mkpokọta, ebe mkpokota ọbụla nwere ajụjụ anọ n'ime ya nke gbadoro ụkwụ n'ajụjụ nchọcha ha depụtara.

Ndị nchọcha were ngwa nchọcha a gakwuru ndị ọkachamara bụ ndị maara ihe a na-ekwu n'asụsụ Igbo na ngalaba Edukeshọn nke mahadum Naịjirịa dị na Nsụka ma bụrụkwa ndị na-enye ntụziaka n'ihe gbasara ime nchọcha a ka ha lebaa ya anya. Ndị ọkachamara a lebara anya n'otu e siri hazie ajụjụ ederede njụmaza ahụ, ma leekwa ma ndị nchọcha ahazikwara ya nke ọma dịka o si metụta isiokwu a na-ekwu maka ya.

Ndị nchọcha gara n'ụlọakwụkwọ ndị e jiri mee nchọcha a ma jiri aka ha kee ụmụakwụkwọ na ndị nkụzi njụmaza e jiri mee nchọcha. Ha nyere nkenke nkọwa gbasara otu a ga-esi zaa ajụjụ ndị ahụ. Ndị nchọcha hụkwara na ha natachara akwụkwọ njụmaza site n'aka ndị ọzaa ngwa ngwa ha zachara iji hụ na o nweghị nke furu efu.

Ndị nchọcha ji miin na ndịpụ n'izugbe hazie ihe ha chọpụtara. Ndịna ajụjụ ọbụla nwetara akara miin bidoro na 2.5 gbagowe ka a nabatara dịka ọsịsa dabara adaba mana ajụjụ ọbụla akara miin ya pekariri 2.5 bụ nke anabataghị na nchọcha a.

Ihe a Chọpụtara

Ajụjụ Nchọcha Nke mbụ: Gịnị bụ ọgwụike?

Tebulu Nke Mbụ: miin na ndịpụ n'izugbe gosipụtara ihe bụ Ọgwụike.

Ọnụọgụgụ =60

Ọnụọgụgụ	Ndịna	EI	E	A	AI	TP	TF	Miin	Ndịpụ n'izugbe	mkpebi
1	Ọgwụike bụ ọgwụ na-eme ka onye ike gwụrụ nweta ike ọzọ	9	7	15	29	60	116	1.9	1.10264	Anabataghị
2	Ọgwụike nwere ike bụrụ ọgwụ nkịtị e ji agwọ ọrịa ma e ribigara ya oke.	37	17	4	2	60	209	3.4	.77002	Anabatara

3	Ihe ọbụla na-abụghị nri ma ọ pụrụ ịgbanwe agwa mmadụ ma e tinye ya n'ahụ bụ ọgwụike.	39	16	3	2	60	212	3.5	.74712	Anabatara
4	Ihe na-aghasa ụbụrụ ma weta anya ajụ na ọsọgalịgalị bụ ọgwụike	24	17	4	5	60	160	2.6	.88618	Anabatara
	Mgbakọta Miin							**2.8**		

Data e gosipụtara na tebulu nke mbụ ebe a na-egosi na ndịna nke mbụ adabaghị na nchọcha a n'ihi na o rughị akara miin 2.5,ebe ndịna nke abụọ, nke atọ na nke anọ dabachara na nchọcha a n'ihi na ha ruru 2.5 bụ akara miin ọnọdụ mkpebi miin ndị a nabatara na nchọcha a.

Ajụjụ Nchọcha nke abụọ: kedụ ọnọdụ na-egosi na e nwere mmetụta agwa ịṅụ ọgwụike n'agụmakwụkwọ ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara nke steeti Ebọnyị?

Tebụlụ nke abụọ: Miin na ndịpụ n'izugbe gosịrị ọnọdụ na-egosị na e nwere mmetụta agwa ịṅụ ọgwụike n'agụmakwụkwọ ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara nke steeti Ebọnyị

Ọnụọgụgụ	Ndịna	EI	E	A	AI	TP	TF	Miin	Ndịpụ n'izugbe	Mkpebi
5	Ọtụtụ ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị na-akpakarị agwa tigbuo zogbuo n'ihi na ha na-aṅụ ọgwụike	21	25	7	7	60	187	3.1	.97424	Anabatara

6	Ọtụtụ ọgbaghara na-adapụta n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara na-esitekarị n'aka ụmụ na-eto eto nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị bụ ndị na-aṅụ ọgwụike	16	20	12	12	60	160	2.6	1.08404	Anabatara
7	Ọtụtụ ụmụ na-eto nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị na-ada iwu obodo n'ebe o buru ibu n'ihi isiakpakọtaghị ọnụ nke sitere n'ọgwụike	23	25	4	8	60	183	3.0	.99873	Anabatara
8	Ihe ka n'ọnụọgụgụ ụmụ na-eto eto bụ ndị nwere isi mgbaka na-enwetakarị ya site n'ịṅụ ọgwụike mgbe ha nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị.	20	17	16	7	60	170	2.8	1.02786	Anabatara
	Mgbakọta miin							2.8		

Data e gosipụtara na tebụlụ nke abụọ ebe a na-egosi na ndịna nke mbụ, nke abụọ, nke atọ na nke anọ ya dabara na nchọcha a n'ihi na ha ruru miin 2.5 bụ nke a nabatara.

Ajụjụ Nchọcha nke atọ: kedụ ihe ndị na-ebute agwa ịṅụ ọgwụike n'etiti ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara?
Tebụlụ nke atọ: miin na ndịpụ n'izugbe gosipụtara ihe ndị na-ebute agwa ịṅụ ọgwụike n'etiti ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara.

Ọnụọgụ	Ndịna	EI	E	A	AI	TP	TF	Min	Ndịpụ n'izugbe	Mkpebi
9	Ndị nne na nna anaghị elebara ụmụ ha anya nke ọma n'inyocha ihe ha na-eri	22	17	14	7	60	174	2.9	1.0366	Anabatara
10	Mmekọrịta ụmụ na-eto eto na ndị otu ọgbọ ọjọọ na-ebute itinye aka n'agwa ịṅụ ọgwụike mgbe ha ka nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị.	31	26	2	1	60	207	3.4	.64899	Anabatara

11	Anaghị etinye iwu megidere ịṅụ ọgwụike n'ihu ọhanaeze n'ọrụ so akpatanitinye aka n'agwa ịṅụ ọgwụike n'etiti ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị.	26	19	8	7	60	184	3.0	1.02290	Anabatara
12	E nweghị mgbasa ozi sitere n'aka gọvụmenti maka ezi nnwogha agwa nye ụmụakwụkwọn'Ọhaọzara.	11	17	16		60	143	2.3	1.07501	Anabataghị
	Mgbakọta Miin							**2.9**		

Data e gosipụtara na tebulu nke atọ ebe a na-egosi na ndịna nke mbụ, nke abụọ na nke atọ dabara na nchọcha a n'ihi na ha ruru miin 2.5, ebe ndịna nke anọ adabaghị n'ihi na o rughị 2.5.

Ajụjụ Nke Anọ: Olee ọghọm dịgasị n'agwa ịṅụ ọgwụike n'agụmakwụkwọ ụmụakwụkwọ nọ n'ogo siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara? Tebụlụ nke anọ: miin na ndịpụ n'izugbe gosipụtara ọghọm dịgasị n'agwa ịṅụ ọgwụike n'agụmakwụkwọ ụmụakwụkwọ nọ n'ogo siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara.

Ọnụọgụgụ	**Ndịna**	**EI**	**E**	**A**	**AI**	**TP**	**TF**	**Miin**	**Ndịpụn'izugbe**	**mkpebi**
13	Agwa ịṅụ ọgwụike n'etiti ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị na-ebuli ugwu na nsọpụrụ ha elu	8	8	11	33	60	111	1.8	1.10200	Anabataghị
14	Agwa ịṅụ ọgwụike na-ebutere ụmụakwụkwọ emeghị nke ọma n'ụle ngwụcha siniọ sekọndịrị.	30	15	8	7	60	188	3.1	1.04908	Anabatara
15	Mmefu ego ụgwọ akwụkwọ ndị nne na nna nyere ha n'ịzụta ya bụ ọgwụike na-ebute akwụghị ụgwọ akwụkwọ nke ọtụtụ ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị.	16	26	10	8	60	170	2.8	.97714	Anabatara
16	A na-ahụta nwata akwụkwọ na-aṅụ ọgwụike dịka onye ọdịnihu ya ga-ala n'iyi.	26	16	10	8	60	170	2.81.	1.07357	Anabatara
	Mgbakọta Miin							**2.6**		

Data e gosipụtara na tebụlụ nke anọ ebe a na-egosi na ndịna nke mbụ adabaghị na nchọcha a n'ihi na o rughị miin 2.5, ebe ndịna nke abụọ, nke atọ na nke anọ dabara na nchọcha a n'ihi na ha ruru miin 2.5.

Ajụjụ Nchọcha Nke Ise: Kedụ ihe ndị e nwere ike ime iji belata maọbụ kwụsị ihe ndị ahụ na-ebutere ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara itinye aka n'agwa ịṅụ ọgwụike?

Tebulu nke ise: miin na ndịpụ n'izugbe gosipụtara ihe ndị e nwere ike ime iji belata maọbụ kwụsị ihe ndị ahụ na-ebutere ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara itinye aka n'agwa ịṅụ ọgwụike

Ọnụọgụgụ	Ndịna	EI	E	A	AI	TP	TF	Miin	Ndịpụ n'izugbe	mkpebi
17	Agwa ịṅụ ọgwụike n'etiti ụmụakwụkwọ sekọndịrị ga-ebelata ma a machibido ịnụ ya n'ihu ọhanaeze	18	14	18	10	60	160	2.6	1.08404	Anabatara
18	E kwesịrị ka a tụọ ụmụakwụkwọ e jidere n'ibu maọbụ ịṅụ ọgwụike nga na-asighị na ha bụ ụmụaka	25	21	8	6	60	185	3.0	.97931	Anabatara
19	Ọ dị naanị ndị nne na nna n'aka igbochi ụmụ ha nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị itinye aka n'agwa ịṅụ ọgwụike.	11	17	20	22	60	157	2.6	1.01556	Anabatara
20	Nkụzi ezi agwa n'ụlọakwụkwọ ga-enyere ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị aka gbanwee agwa ịṅụ ọgwụike	27	20	7	6	60	188	3.1	.98233	Anabatara
	Mgbakọta Miin							**2.8**		

Data e gosipụtara na tenbụlụ nke ise a na-egosi na ndịna nke mbụ, nke abụọ, nke atọ na nke anọ dabara na nchọcha a n'ihi na ha ruru miin 2.5.

Nkata N'ihe A Chọpụtara

A chọpụtara na agwa ịṅụ ọgwụike n'etiti ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị nwere mmetụta ọjọọ n'agụmakwụkwọ ụmụakwụkwọ ahụ. Ọ na-eme ka agụmakwụkwọ ha nwee ndọghachị azụ n'ihi na ụmụakwụkwọ na-aṅụ ọgwụike anaghị eme nke ọma n'ule. Nebe nke mbụ, nchọcha a chọpụtara na ọgwụike abụghị ọgwụ na-eme ka onye ike gwụrụ nweta ike ọzọ, kama ọ bụ ihe ndị ahụ na-abụghị nri nkịtị nke na-agbanwe usoro ahụ mmadụ si arụ ọrụ. Nchọpụta a dabanyere n'echiche Odedokun (2010) n'ihi na ọ kọwara na ọgwụike bụ ihe ọbụla nke bụ mgbe e mere ka ọ banye n'ahụ mmadụ, na-agbanwe usoro ahụ mmadụ si arụ ọrụ. Ọgwụike nwere ike wetara onye ṅụrụ ya anya ajụ, ọsọ galịgalị, mmetụta n'echiche nakwa mmetụta n'ụbụrụ. N'otu aka ahụ, ọgwụ nkịtị e ji agwọ ọrịa

nwere ike bụrụ ọgwụike mgbe e rifeere ya oke. Nke a bụ n'ihi na ọnọdụ nrife oke ahụ na-akpatara ndị na-aṅụ ya ọrịa na nsogbu ndị ọzọ.

Nchọcha a chọpụtara na ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị ndị na-aṅụ ọgwụike na-akpakarị agwa ọgbaghara dịka ịlụ ọgụ nakwa inupu isi n'iwu na-achịkwa ụlọakwụkwọ ha. Nchọpụta a dabara n'echiche Alexander (2012) n'ihi na ọ kọwara na ụmụakwụkwọ na-aṅụ ọgwụike na-ewekarị iwe megide onwe ha maọbụ megide ụmụakwụkwọ ibe ha ma si otu a kpasuo ọgbaghara n'ụlọakwụkwọ. Nke a na-eme ka nkụzi na ọmụmụ ihe laa azụ n'ogo sinịọ sekọndịrị n'Ọhaọzara maka na ọ na-ewe oge na ego iji dozie ọgbaghara ndị ahụ.

Nchọcha a chọpụtakwara na e nweghị ezi ntọala site n'aka ndị nne na nna na-edubanye ụmụaka ha nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị n'agwa ịṅụ ọgwụike. N'ihi e nweghị ezi ntọala, ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị na-anara ozi e kwesịghị site n'igwe teknụụzụ nakwa site n'aka ndị ebiri ha nke na-eduba ha n'agwa ịṅụ ọgwụike. Nchọpụta nchọcha a dabara n'echiche Ọgba (2015) n'ihi na ọ kọwara na e nweghị ezi ntọala n'ezinaụlọ so edubanye ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị n'agwa ịṅụ ọgwụike. Tinyere nke ahụ, gọvụmentị anaghị enye ezi mgbasa ozi megide agwa ịṅụ ọgwụike. N'otu aka ahụ, gọvụmenti anaghị etinye iwu megidere agwa ịṅụ ọgwụike n'ọrụ n'Ọhaọzara.

Ndị nchọcha chọpụtakwara na na nkụzi ezi agwa n'ụlọakwụkwọ nakwa ezi mgbasa ozi site n'aka ndị nkụzi, gọvụmentị nakwa òtù okpukpe dị iche iche ga-enye aka belata maọbụ kwụsị agwa ịṅụ ọgwụike n'etiti ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị.

Mkpokọta

Nchọcha a gosịpụtara ihe ndị a dịka mmetụta agwa ịṅụ ọgwụike n'agụmakwụkwọ ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara nke steeti Ebọnyị:

1. Ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị bụ ndị na-aṅụ ọgwụike na-enwetakarị nsogbu ahụike dịka inweta ọrịa ọjọọ, mmetụta n'ụbụrụ maọbụ isi mgbaka n'oge ha kwesịrị ịdị na-agụ akwụkwọ ha.
2. Agwa ịṅụ ọgwụike na-ewetara ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sekọndịrị ịkpasu ọgbaghara nke anaghị enye agụmakwụkwọ ezi ọnọdụ.

3. Ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sekọndịrị bụ ndị na-aṅụ ọgwụike anaghị erube isi n'iwu na-achịkwa ụlọakwụkwọ ha nakwa nke na-achịkwa ọhaobodo. Nke ana-ewta ihe agaghị n'ezi usoro n'agụmakwụkwọ.
4. Ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sekọndịrị bụ ndị na-aṅụ ọgwụike na-emekarị aghụghọ ule.
5. Ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sekọndịrị bụ ndị na-aṅụ ọgwụike anaghị eme nke ọma n'ule n'ụlọakwụkwọ ha nakwa n'ule ngwụcha agụmakwụkwọ sinịọ sekọndịrị.

Ntụnye Aro

Site n'aziza ndị ọzaa, a chọpụtara na ha kwekọrịtara na ọgwụike abụghị ọgwụ na-eme ka onye ike gwụrụ nweta ike ọzọ. Ọgwụike nwere ike bụrụ ọgwụ nkịtị e ji agwọ ọrịa mana e ribigara ya oke. Ọgwụike bụkwa ihe ọbụla abụghị nri ma ọ pụrụ ịgbanwe agwa mmadụ ma e tinye ya n'ahụ. Ha kwekọrịtakwara na ọgwụike nwere ike bụrụ ihe ọbụla na-aghasa ụbụrụ mmadụ ma weta anya ajụ na ọsọgaliigalị.

A chọpụtakwara na e nwere ọnọdụ ndị na-egosi na e nwere mmetụta agwa ịṅụ ọgwụike n'agụmakwụkwọ ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara nke Steeti Ebọnyị. Ha gụnyere na: ọtụtụ ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị na-akpakarị agwa tigbuo zọgbuo; Ọtụtụ ọgbaghara na-adapụta n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara na-esitekarị n'aka ụmụ na-eto eto nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị bụ ndị na-aṅụ ọgwụike; Ọtụtụ ụmụ na-eto eto nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị na-ada iwu obodo n'ebe o buru ibu n'ihi isi akpakọtaghị ọnụ nke sitere n'ọgwụike. Ndị ọzaa kwekọrịtakwara na ihe ka n'ọnụọgụ ụmụ na-eto eto bụ ndị nwere isi mgbaka na-enwetakarị ya site n'ịṅụ ọgwụike mgbe ha nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị.

A chọpụtara na ihe ndị na-ebute agwa ịṅụ ọgwụike n'etiti ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara gụnyere na: ndị nne na nna anaghị elebara ụmụ ha anya nke ọma n'inyocha ihe ha na-eri; mmekọrịta ụmụ na-eto eto na ndị otu ọgbọ ọjọọ na-ebute itinye aka n'agwa ịṅụ ọgwụike mgbe ha ka nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị; anaghị etinye iwu megidere ịṅụ ọgwụike n'ihu ọhanaeze n'ọrụ n'Ọhaọzara nakwa na e nweghị mgbasa ozi sitere n'aka gọvụmentị maka ezi nnwogha agwa ụmụakwụkwọ n'Ọhazara.

A chọpụtakwara na ndị ọzaa kwekọrịtara na ọghọm ndị a na-esitegasị n'agwa ịnụ ọgwụike ma metụta agụmakwụkwọ ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaọzara: ọ na-eweda ugwu na nsọpụrụ ụmụakwụkwọ ha ala; agwa ịnụ ọgwụike na-ebutere ụmụakwụkwọ emeghị nke ọma n'ule ngwụcha sinịọ sekọndịrị; ọ na-ebute mmefu ego ma bute akwụghị ụgwọ akwụkwọ nakwa na a na-ahụta nwata akwụkwọ na-aṅụ ọgwụike dịka onye ọdịnihu ya ga-ala n'iyi.

A chọpụtara na e nwere ike ime ihe ndị a iji belata maọbụ kwụsị ihe ndị ahụ na-ebutere ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ọhaozara itinye aka n'agwa ịnụ ọgwụike: ịmachibido ịṅụ ya n'ihu ọhanaeze, ịtụ ụmụakwụkwọ e jidere n'ibu maọbụ ịṅụ ọgwụike nga na-asighị na ha bụ ụmụaka, ndị nne na nna ga-enye aka igbochi ụmụ ha ịṅụ ọgwụike nakwa na ezi nkụzi ezi agwa n'ụlọakwụkwọ ga-enyere ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị aka gbanwee agwa ịṅụ ọgwụike.

Mmechi

Nchọcha a agbaala mbọ lebaa anya n'isiokwu a bụ Mmetụta Agwa ịṅụ Ọgwụike N'agụmakwụkwọ Ụmụakwụkwọ Nọ N'ogo Sinịọ Sekọndịrị N'okpuru Ọchịchị Ime Obodo Ọhaọzara Nke Steeti Ebọnyị. A kọwara ihe bụ ọgwụike dịka o si gbasata nchọcha a. Ndị nchọcha lebakwara anya n'agwa ịnụ ọgwụike, ihe ndị na-ebute agwa ịnụ ọgwụike nakwa mmetụta ọjọọ nke agwa ịnụ ọgwụike n'etiti ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị n'Ọhaọzara. Ndị nchọcha mere nke a site na mbunuche nchọcha bụ nke ha ji mepụta ajụjụ nchọcha ndị duziri ọrụ nchọcha a. Ọ bụkwa site na'ajụjụ nchọcha ndị ahụ ka ndị nchọcha si mepụta ajụjụ ederede njụmaza nke ha ji nweta echiche ndị ọzaa.

Nrụaka

Akpa, O. (2001). The History of Ugwulangwu People. Unpublished paper presented at the palace on the coronation of His Royal Highness, Eze R.F.Iyioku, Ezeokechima II, Ugwulangwu, Ọhaozara Local Government Area.

Akubue, P.I. (2009). *Health checks and health promotions: A personal guide to living active life (2nd edition)*. Nimo: Rex Charles and Patrick Ltd.

Alexander, O.A. (2012). *Standard civic education for senior secondary schools*. Owerri: standard Publishers.

Anozie, C.C. (1999). *Lingwistiiki, Sayensị Asụsụ.* Nsukka: Fulladu publishing company.

Dieke, A. (2015 ed). Feeding Correctly. In *PEN Magazine:* A Publication of Arts Education Students Association, University of Nigeria, Nsukka, 3rd edition.

Eide, H. & Acuda, A. (1995). *Drug use Among Secondary School Students*. https://www.researchgat.net/publication/14. retrieved on 26th July, 2017.

Finley, M.A. &Landless, P.N. (2014). *Health and Wellness.* Ghana: The Advent Press.

Fodor, J.T. (1974). *Your health and your future*. Illinois: Laidlaw Publishers.

Grossarchaives (2017). *The effect of drug use on students of secondary schools*. www.grossarchaives.com. Retrieved on 26th July,2017.

Neufeld, D.F. & Neuffer, J. (1962). Seventh-Day Adventist Students Source Book. Washington: Review and Herald Publishers.

Nworgu, B.G. (2015). *Educational research: Basic issues and methodology.* Nsukka: university Trust Publishers.

Obiaks, C. (1995). Drug use among secondary school students in Esan Central of Edo state. www.grossarchaives. Retrieved on 28th july, 2017.

Odedokun, M.O. (2010). *Primary social studies book 6.* Lagos: new world Publishers.

Ọgba, N. J. (2015). Nsogbu Ndị A Na-enwe N'ihe Gbasara Agwa ịhụ Ọgwụike N'etiti Ụmụ Na-eto eto N'okpuru Ọchịchị Ime Obodo Ọhaọzara. Unpublished project. Ebonyị State College of Education, Ikwo.

Okwara, L. I. (2011). *Foundation civic education for senior secondary schools*. Onitsha: Hybrid Publishers.